# NRI AHỤ NKE NÁENYE NDỤ
## Jọn 6:22-65
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 94 – Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Unu alula ọlu inata ihe-oriri nke nāla n'iyi, kama inata ihe-oriri nke nānọgide rue ndu ebigh-ebi" (Jọn 6:27).**

**I Ndị Náachọ Jisọs n'ihi Ogbe Achịcha na Azụ̀**
1. Ìgwèmmadụ ahụ laghachiri Kapanaum ịchọ Jisọs, Jọn 6:22-25
2. Jisọs baara ha mbá n'ihi na ha naachọ Ya maka ogbeachịcha na azụ, Jọn 6:26-29
3. Chineke enyewo ezi Manna ahụ site n'Eluigwe, Jọn 6:30-35

**II Ndụ Ahụ Dị Mkpà Karị bụ Nke Jisọs Wedatara**
4. Ọ naekwe mkwà mbiliten'ọnwụ ịbà ná ndụ ebighịebị nye ndị niile Nna nyeworo Ya, Jọn 6:36-40
5. Ndị Ju naatamù ntamù n'ihi na Jisọs sịrị, "Mu onwem bu nri ahu," Jọn 6:41-43
6. Ọ bụ náání ndị Nna dọọrọ pụrụ ịbịakute Jisọs, Jọn 6:44-46

**III Jisọs Naekwusi Ya Ike na Ya Onweya bụ Nri Ahụ Náenye Ndụ**
7. Mkwa nke ndụ ebighiebi ka ekwekwara ọzọ nye ndị kwere na Ya, Jọn 6:47, 48; 1:12
8. Anaenye ndụ ma naelekọta kwa ya site na "nri di ndu," Jọn 6:49-51
9. Ha aghaghị iri anụarụ Ya ñụa kwa Ọbara Ya, Jọn 6:52-58; Ọpupu 128; Jọn 1:29
10. Jisọs naakọwa "okwu ahu di ike," Jọn 6:59-65

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Iheoriri Nke Náala N'iyi**

Mgbe igwè mmadụ ahụ bịara náachọ Jisọs n'ụbọchị nke náeso ụbọchị ahụ Ọ zụrụ puku mmadụ ise (5000) ahụ, Jisọs matara obi ha wee sị, "Unu nāchọm, ọ bugh n'ihi na unu huru ihe-iriba-àmà, kama ọ bu n'ihi na unu riri ufọdu nime ogbe achicha ahu afọ ju kwa unu." O wee site n'ihe ịrịbaàmà nke ịzụ puku mmadụ ise ahụ kụziere ha ihe bụ isi ihe eji zite Ya n'ụwa nke a -- ịzụ mkpụrụobi ụmụmmadụ. Ihe dị mmadụ nke anụarụ mkpà bụ ilezi anụarụ ya anya wee lefuru nke imemmụọ anya. N'Okwu Chineke ahụ ekwuru n'elu Ugwu, Jisọs kụziri na ndụ karịrị nri na uwe oyiyi. Ọ kụzikwara na "ọ bugh n'ihe o nwebigara okè ka ndu madu di, o sigh n'ihe o nwere puta" (Luk 12:15). Ụwa jupụtara n'anyaukwu na ihe ike n'ụbọchị taa n'ihi na mmadụ achọwo ụzọ inwezu ọtụtụ ihe onwunwe nke ụwa a wee ná elefuru Nri ahụ nke Náenye Ndụ anya bụ́ nke pụrụ ịzụ̀ mkpụrụobi ya.

"Unu alula ọlu inata iheoriri nke nāla n'iyi, kama inata iheoriri nke nānọgide rue ndu ebigh-ebi." Ihe niile mmadụ naakpakọta site ná mmalite rue n'ọgwụgwụ ndụ ya bụ "ihe-oriri nke nāla n'iyi." Ha niile bụ ihe náadị nwaoge bụrụ kwa ihe náagafe agafe. Ọbụná anụarụ nke mmadụ gaenye ihe niile o nwere n'ihi ya gaalaghachi n'ájá n'oge náadịghị anya. Ọ bụ náání mkpụrụobi bụ ihe náadịghị anwụanwụ, ọ naadị ndụ rue mgbe ebighịebi. Ya mere ọ bụ ihe dịkarịrị mkpà bú ilezi mkpụrụobi anya karịa ka anyị naelezi anụarụ.

**Nri nke Náenye Ndụ**

"Ọ bugh nání achicha ka madụ gēji di ndu, kama ọ bu okwu nile ọ bula nke nēsi n'ọnu Chineke puta" (Matiu 4:4). Kwa ụbọchị ụmụmmadụ naeri nri nke anaahụ̀ anya bụ́ nke náazụ anụarụ ha. Dịka arụ si enweta ike site ná nri, otú a ka mkpụrụobi si enweta ike nke imemmụọ site na Jisọs, Nri ahụ nke Náenye Ndụ. Devid sịrị, "Anyasi, na ututu, na etiti ehihie, ka m'gātughari uche" (Anyasị, ututu, na ahihie, kam'ga-ekpe ekpere) (Abù Ọma 55:17). Ọ bụrụ na anyị arapụ iri Nri ahụ nke náenye Ndụ, anyị gaada mbà nime mmụọ. Mgbe náadịghị anya anyị gaahụ̀ onye iro ahụ ka ọ naemegide anyị ma anyị enweghịike iguzogide nleli ya. Mgbe Jisọs kpereekpere ụbọchị iri anọ ehihie na abalị, agụụ gụrụ Ya, n'ezie anụarụ Ya daramba, ma ike nke imemmụọ Ya dị ukwuu. Ekwensu lụsoro Ya ọ̀gụ̀ site n'akụkụ niile; ma site n'amara na ike, Jisọs mere ka ịrụ ụka niile nke ekwensu wepụtara bụrụ ụgha, wee si kwa n'ọzara pụta náenwezu ike nke imemmụọ.

Ọ naadị anyị mma ikiri onye nwere arụ dị mma – onye náadị ka o nwezuwo ihe niile náakpà ya n'anụarụ. Ọ naadị OnyeKraist mma mgbe ọ naahụ́ onye gwumiri egwumi, onye haziri àtụ̀màà tụ̀ ụlọ nke imemmụọ ya nkeọma, náazụ kwa mkpụrụobi ya kwa ụbọchị n'ụzọ nke imemmụọ. N'ezie Onyenweanyị kwa, aghaghị iji

obiụtọ lekwasị onye ahụ anya bụ́ onye asachaworo obi ya site n’Ọbara nke Nwaatụrụ ahụ, onye náeri kwa manna ahụ nke sitere n’eluigwe ụbọchị niile.

Mgbe Onyenweanyị kụziri ndị náesoụzọ Ya ikpé ekpere sị, “Nye ayi nri ta nke gēzuru ayi n’ubọchi ta” ọ pụtara ihe dị omimi karịa nááńí inwe achịcha n’elu tebụl anyị site n’ụbọchị rue n’ụbọchị. Ọ dị anyị mkpà inwe manna ahụ zoroezo nke náewulite náeme kwa ka mkpụrụobi anyị dị ike maka ihe dị icheiche siriike nke náabịa n’ụzọ anyị.

**Nri nke Imemmụọ**

Aisaia wepụtara okwu a, “N’ihi gini ka unu nātu ego inye n’ọnọdu ihe nābugh nri? Na ihe putara na ndogbu unu nādogbu onwe-unu n’ọlu n’ọnọdu ihe nke nādigh-eju afọ? gēnum nti nke ọma, rie ezi ihe, ka ihe nke mara abụba tọọ kwa mkpuru-obi-unu utọ” (Aisaia 55:2). Site na nke a, ọ naekwupụta eziokwu ahụ nke bụ na nri nke imemmụọ karịrị nke anụarụ. Anụarụ ga alaghachị n’ájá ma mkpụrụobi gaadị ndụ rue mgbe ebighiebi.

Anaeji ndụ eme ka ndụ dị mma. Anaeji ihe dị ndụ emepụta ọbụná nri nke anụarụ anyị naeri. Adịghị esite n’ihe náadịghị ndụ emepụta iheoriri. Ya mere n’ihe nke imemmụọ anaeji Jisọs, bụ isiiyi nke Ndụ eme ka ndụ dị nime anyị. “Mu onwem bu nri di ndu nke siri n’elu-igwe ridata: ọ buru na madu erie ụfọdu nime nri a, ọ gādi ndu rue mgbe ebigh-ebi.”

**Manna**

Manna ahụ nke Jehova nyere Ụmụ Israel n’ọzara gaenweworị nime ya ihe niile dị mkpà iji mee ka ndụ nke anụarụ dị mma. Ha jiri ya bie ndụ arọ iri anọ. Onyenweanyị ahụ onye mere arụ anyị na akụkụ ya niile dị ebube, matara nnọọ ihe Ọ gaetinye na manna ntakịrị ahụ nke dị ka igirigi kpụkọtara akpụkọta n’elu ahịhịa, iji wulie ọkpụkpụ na ime arụ niile. Manna ahụ nọchiri ọnọdụ nke achịcha, anụ, mkpụrụosisi na akwụkwọnri. Jisọs ezi Manna ahụ nke si n’Eluigwe bụ nááńí ihe dị anyị mkpà nke pụrụ ime ka anyị dị mma nime mmụọ wee mee ka anyị sieike, nwee kwa arụike nime Onyenweanyị. Manna ahụ bụ ihe enyere n’ụzọ dị ebube, otú a ka esi kwa nye nri nke immmụọ anyi.

**“Nri nke igwe, nāzum rue mgb’afọ gējum.”**

**Ntamù**

Ụdị nke mmadụ náadị ka ọ bụ otù ihe ahụ nime ọgbọ niile. Ụmụ Israel tamurù banyere manna ahụ nke Jehova nyeworo ha kwa ụbọchị. Mkpụrụobi ha jụrụ nri ahụ dị mfé.

Mgbe Jisọs naagwa ndị náesoụzọ Ya na Ya onweya bụ Nri ahụ nke náenye Ndụ, wee sị kwa na, “Ọ buru na unu erigh anu-aru nke nwa nke madu, ọ buru kwa na unu añugh ọbara-Ya, unu enwegh ndu nime onwe-unu,” ha tamurù sị, “okwu a di ike; ònye puru inu ya?” Site na mgbe ahụ gaa n’iru, ọtụtụ nime ndị náesoụzọ Ya laghachiri azụ̀, ha esoghị kwa Ya náejégharị ọzọ. N’ụbọchị taa ụmụmmadụ naasị na Oziọma ahụ dị óké warawara, óké mkpagide; na ha apụghị ịnagide ya. Ha naatamù megide àtụ̀màatụ̀ ahụ dị ukwuu nke Chineke banyere mgbapụta, náajụ kwa ya. Ha náajụ iri ụfọdụ nime Nrị ahụ nke náenye Ndụ, náajụ iri Nwaatụrụ ahụ nke egburu site na ntọala nke ụwa wee site na nke a náarapụ olileanya ha nwere banyere Eluigwe na ndụ ebighịebi. Ka Chineke nyere anyị aka ka anyị ghara ịtamù wee wụsa ọkpụkpụ anyị nime ọzara dịka Ụmụ Israel mere!

O nwere otù mgbe Devid nwere ekworo banyere ọgan’iru nke ndị náemebiiwu wee náeche na ọ bụ n’efù ka o meworo ka obi ya dị ọcha, tutu rue mgbe ọ bàra n’ụlọ nsọ wee rie nri nke Eluigwe ahụ. Mgbe ahụ ewee meghee nghọta nke imemmụọ ya, o wee hụ́ ikpeazụ ha (Abù Ọma 73).

**Ihe nnọchianya**

Nwa oge ntà tupu akpọgide Ya n’obe, mgbe Jisọs na ndị náesoụzọ Ya risịrị Oriri Ngabiga ahụ, O wee nara ogbe achịcha, gọzie ha, nyawa ya, nye kwa ndị náesoụzọ Ya, sị “Unu nile ñua nime ya; n’ihi na nka bu ọbara nke ọgbugba-ndu, nke anāwusiri ọtutu madu ka ewe gbaghara nmehie” (Matiu 26:26-28). Anyị pụrụ ịhụ otú o si dị ebighịebi ka ọ dịgide kwa nime anyị.

**Ịkpọ̀òkù ahụ**

“Onye nābiakutekwam M’gagh-achupu ya ma-ọli.” Ndị ogbenye nime ụwa a ka achụpụworo ọtụtụ mgbe n’agụụ site n’aka ndị pụrụ inye ha ihe ka ha rie. Ma ọ dịghị mgbe ọ bụla Jisọs náachụpụ mkpụrụobi agụụ naagụ, ma ha bụ ọgaranya maọbụ ogbenye, ndị orù maọbụ ndị nwe onweha, ndị ojii maọbụ ndị ọcha. Oziọma ahụ náagbasa rue onye ọ bụla nke náachọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee nri anaakpọ mkpà n’aka nke ndụ?
2. Ònye bụ Nri ahụ nke naenye Ndụ?
3. Òlee ụdị nri Chineke nyere Ụmụ Israel n’ọzara?
4. Hà nwetara ezi nri ahụ nke sitere n’Eluigwe?
5. Gịnị mere ndị ahụ ji tamue ntamù?
6. Gịnị mere ọtụtụ mmadụ ji laghachi azụ̀ site n’iso Jisọs?
7. Gịnị ka ọ pụtara bụ́ iri anụarụ na ịñụ Ọbara nke Ọkpara Chineke